# Iwu ndi ga-akwalite nzirita ozi maka ikpe mmekorita ziri ezi n'oge a e ji igwe komputa aru oru

Na agbanyeghị ihe ọ bu- imegbu nwanyị, imegbu ụmụaka, ụbịam, idozi esemokwu, nkwudosike nke onwe, ikpa oke agburu, ime njem mbiri, ịzota ikike ndị ọrụ, ikike dịrị ndi nwe ala, ahụike, ala obibi, mgbanwe Ihu eligwe- enweghị ihe aga emenwu ma ọ bụrụ na enweghị ezi nziorita ozi di mma.

Maka nke a, anyị chọrọ atụmatụ tọrọ atọ onye ọbula ga esonye iji kewaputa technuzu ogbara ọhụrụ ga akwalite obibi ndụ, nkwanye ùgwù na ikpe nkwụmoto iji hapụ ileda ya ányá.

Anyị chọrọ atụmatụ ga enye ndị mmadụ ohere isonye na nrụrụ ụka kwu ọtọ, ga akuzi ihe ma bụrụkwa nke onye ọbula ga ekwu uche ya, ebe ndị mmadụ ga enwe ohere inwete ozi na amamihe dị mkpa maka ibikota ọnụ, ikwado, isonye na ihe ana eme na obodo na iruko ọrụ ọnụ site n'ikwuba aka oto.

Dika ọ dị na agugu ala ikike nzikorita ozi, usoro ndị a ga eweta ụwa ebe:

Onye ọbula kwesiri izikorita ozi na ikesa ihe ha ma.
Nke a chọrọ nhatanha n'izikorita ozi nakwa ikike ikwuputa ihe dị gị na obi

Onye ọbula kwesiri isonye na nzikorita ozi na mmekọrịta nke obodo na ewepughi ndị òtù pere mpe na ndị na agaghị emenwu nke ana aka ha. Nke a chọrọ omume di mma,ikwuba aka oto, ikwusi ighotahie mmadụ nakwa isonye na ihe ana eme na ochichi mgbasa ozi ogbara ọhụrụ.

Onye obula kwesịrị inwete nzikorita ozi na mmekọrịta nke obodo na enweghi nrụrụaka obula. Nke a chọrọ omume di mma,ikwuba aka oto na ikwusi ighotahie mmadụ.

Onye obula kwesịrị inwe nkwanye ùgwù na nsọpụrụ. Nke a chọrọ ikwuba aka ọtọ, ime ihe na usoro mgbasa ozi nke agbara ọhụrụ.

Onye ọbula kwesịrị inwe ohere ime ihe ọ chọrọ ma chekwaba ozi ya tinyekwara iwepu ozi ha, ma o bụrụ na ha anaghị eji nke a emegide ikike onye ozo, ma ọ bu imee mpu. Nke a kwesịrị i dị na ihe eji mara onye ọbula ma chọọ iwu ga ahazi ikike ime ihe I chọrọ

nke ga echekwaba ikike mmadụ.

Onye ọbula kwesịrị inwe asụsụ na Omenala nke ha. Nke a chọrọ ohere maka asụsụ na Omenala dị iche iche, inwe na ime ihe ha chọrọ na mgbasa ozi.

Onye ọbula kwesịrị inwe aka ọrụ na nzikorita ozi,mmekọrịta na amamihe nke mgbasa ozi. Nke a chọrọ inye ọzụzụ na omenala na mkparita uka, ige ntị, ikwu uche gị nakwa ichemi echiche ime.

Onye ọbula nwere ikike mgbanwu ọkụ iji rụọ ọrụ mgbasa ozi nke ogbara ọhụrụ. Ọ chọrọ inwe ohere nke iji technuzu dika anwụ maobu oke ikuku were gbanwuo ọkụ

Onye ọbula kwesịrị inwe igwe computa ogbara ọhụrụ ma ọ bu nwete ya na ebe dị mma. Nke a chọrọ akụnauba nakwa ikike idozi ya.

## About the language

Igbo is spoken by about 18 million people in Nigeria and is one of the largest languages of West Africa.

### About the translator

Journalists for Christ International Outreach (JFC International) is a Christian media organisation devoted to spreading the gospel among journalists and other media professionals and using media skills to promote Christian activities in Nigeria.